*Nsukka Journal of the Humanities Vol. 27, No. 2, 2019, pp. 15 – 28*

# Ụdịdị Na Ọrụ Odomagana N'okpuru Ọchịchị Udi, Steeti Enugwu

**Ọkm. Mz. Fabian Uchenna Ude**
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka.

**Ụmị**

Nchọcha a lebara anya n'ụdịdị na ọrụ Odomagana n'okpuru ọchịchị Udi, steeti Enugwu. Ebe a nọrọ mee nchọcha a bụ n'Egede dị n'okpuru ọchịchị Udi. Nka nchọcha e ji mee nchọcha a bụ nke sọvee nkọwa. Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a gụnyere: ajụjụ ọnụ, igwe e ji ese foto na ihe onye nchọcha gụtara n'akwụkwọ. Onye nchọcha gbara ndị okenye ụmụ nwoke iri na ise ajụjụ ọnụ. E guzobere ajụjụ nchọcha abụọ nke dabeere na mbunuche nchọcha a. Ụsa e nwetara na nchọcha a gosipụtara na e nwere ụdịdị Odomagana iri na atọ n'Egede ma na-arụkwazi ọrụ dị iche iche.

**Okwu pụtakarịchara ihe:** Odomagana, Omenala, Igbo na Egede.

**Mkpọlite**

Agbụrụ ọ bụla na mba dị iche iche dị n'ụwa nwere omenala ha na-eme na be ha. Ndị Bekee, Chaịna, Eshia, Jamini, na ndị ọzọ nwere omenala ha. Na Naịjirịa, ndị Awụsa, Igbo,Yoruba Tiv na ndị ọzọ nwekwazịrị omenala ha na-eme na be ha. N'otu aka ahụ, ndị Igbo nwekwara omenala dị iche iche e ji mara ha dị ka; asụsụ ha, inye nwa aha, iti mmọnwụ, ụdị akwa ha na-eyi, nkwenye ha, okpukpere chi ha d.g.

Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ e nwere na Naịjirịa, ha na-asụ Igbo dị ka asụsụ ha. Williamson na Blench (2000) kọwara na ndị Igbo so n'otu agbụrụ asụsụ a kpọrọ 'Proto Benue-Congo'. Ha kọwara na ndị Igbo bi na ndịda ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Steeti ndị Igbo gụnyere: Abịa, Anambra, Ebọnyi, Enugwu na Imo. Ha bikwa na mpaghara Delta na Rivers. E ji omenala ndị Igbo mara ha. Omenala bụ usoro obibi ndụ e ji mara mba ma ọ bụ agbụrụ dị iche iche.

Usoro obibi ndụ nke agbụrụ ọ bụla gụnyere: asụsụ ha, etu ha si eyi akwa; ụdị nri ha na-eri, nkwenye ha nwere, okpukperechi ha, ọrụ ha na-arụgasị d.g.. Anọzie (2003) kọwara na omenala bụ ụzọ dị iche iche ndị mmadụ si ebi ndụ ha na ka ha si eme nke na-apụta ihe site n'iyi akwa, ihe ha na-eri, ụzọ ha si eme emume dị iche iche dị ka ịlụ nwaanyị, ime ọmụgwọ, iru mgbede na echichi dị iche iche.

N'ịga n'ihu, Ekwe, Emenanjo, Kanụ, Njubigbo na Okolie (2008) kọwara omenala dị ka ihe dị iche iche na-egosi usoro ndị si ebi ndụ nke gụnyere etu ha

si eyi akwa, ụdị nri ha na-eri, asụsụ ha na etu ha si akwanyere okenye ugwu. N'otu aka ahụkwa, Nwadike (2009) kọwakwara ebe a gbasara omenala nke ọ kọwara na omenala bụ okwu na-egosipụta ụzọ dị iche iche agbụrụ ọ bụla si ebi ndụ ha dị ka asụsụ ha, ọrụ ugbo ha na nkwenye ha dị iche iche.

Otu n'ime omenala ndị Igbo pụtara ihe bụ nkwenye na chi. Ndị Igbo na-efe Chi, n'otu aka ahụ ndị Egede na-efekwazi Chi n'agbanyeghi na ọtụtụ na-eje ụka Kraịst. Ọ bụ eziokwu na e nwere ụka Kristi n'ala Igbo dị iche iche mana ọ dị mkpa ka e chekwaba asụsụ na omenala ndị Igbo site n'idekọ ya ka ụmụ aka site na ya mata ma hụ uru ọ bara bụ ichekweba omenala ha.

Ụfọdụ uru omenala Igbo bara gụnyere: ọ na-eme ka a mara obodo ma ọ bụ agbụrụ mmadụ si; ọ na-akwalite mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ibe ya. Nwadike (1990) kọwara na omenala na-enyere ụmụ aka aka ịmụta usoro ebimndụ ndị Igbo. Nke a pụtara na omenala Igbo dị ka ihe na-enyere ụmụ aka aka n'ịmụta usoro ebimndụ kwesiri ka e dekọọ omenala obodo ọ bụla n'ala Igbo n'ụdị ichekwaba ya maka isite n'aka fere aka.

Omenala ndị ahụ kwesiri ka e chekweba ha site n'otu agbụrụ ruo na agbụrụ ọzọ. N'ihi na ọnwụ na-egbuzi ndị mmadụ aghara aghara nke mere na ndị okenye maara akụk ọala/agụgụ ala mmalite ma ọ bụ nsiripuru omenala ụfọdụ e ji mara ndị Igbo na-anwụzi, ọ dị mkpa na e nwere ndekọ omenala ndị Igbo iji hụ na ụmụ aka a mụrụ n'oge a nakwa ndị a ga-amụta n'ọdịnihu maara omenala ha. Oge na-abịa mgbe agaghị enwe ndị okenye maara omenala Igbo dị iche iche. Ya ka o ji dị mkpa na e chekwabara ma kwalite omenala Igbo site n'idetu ya n'akwụkwọ ka ọ ghara ịnwụ.

A bịa n'okpuru ọchịchị Udi, e nwere obodo ndị na-eti mmọnwụ na ndị na-eti Odomagana. Obodo ndị na-eti mmọnwụ gụnyere: Abịa, Agbụdụ, Amokwe, Nachị, Neke, Obiọma, Ụmụaga, Udi, ebe ndị na-eti Odomagana gụnyere: Abọ, Afa, Akpakwume, Ebe, Egede, Eke, Ngwo, Nsude, Nze, Oghu, Ọhụm, Ọkpatụ, Umulumgbe, Ụkana na Ụmọka. N'ime obodo niile ndị a a kpọrọ aha n'elu ebe a, ọ bụ n'Egede ka a nọrọ mee nchọcha n'ihi na Egede na-eti Odomagana.

Odomagana bụ arụsị nwere mmụọ na-akpa ike dị egwu nke na-apụta ihe n'ụdị mmadụ. 'Maa' n'olu ndị Egede pụtara mmụọ. N'ala Igbo niile, ndị Igbo kwenyere na arụsị dị iche iche nwere mmụọ dị n'ime ha ma na-arụgasị ọrụ dị iche iche. Dị ka aha ya siri dị, Odomagana bụ arụsị nke nwere mmụọ dị egwu na-akpa mkpamkpa/ike dị egwu n'obodo dị iche iche na-eti odo. Iji kwado nke a Ezike (2010) kọwara na Odo bụ mmụọ arụsị nke nọ n'etiti ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ. Ọ bụ mmụọ ndị nna nna anyị ha nwụrụ anwụ. Ọzọkwa, Isife, Amụji, Ọtakagụ (2015) kọwara na Odo bụ mmụọ nke ndị ichie nwụrụ anwụ a na-efe dị kaChi n'Egede.

Otu ụzọ dị mma iji kọwaa ihe Odomagana pụtara bụ site n'ileba anya n'ikuku na-eku n'ụwa. E nwere ikuku na-eku nwayọọ nke anaghị akpa ike dị egwu ma ọ bụ mebie ihe ọ bụla. N'aka nke ọzọ e nwekwara ikuku a na-akpọ 'Ayịmagana' nke na-akwụ ọtọ malite

n'ala ma jiri ike dị egwu na-agba gburugburu/okirikiri alị elu na-aga ije achọ ihe ọ ga-emebi. Ikuku Ayịmagana nwere maa/mmụọ na-akpa mkpamkpa dị egwu nke na ọ na-egbu mmadụ ma ọ bụkwatuo ụlọ ma ọ bụ osisi. Onye hụrụ ikuku ayịmagana na-eji ụjọ/egwu agba ọsọ n'ihi mkpamkpa dị egwu maa/mmụọ nọ n'ime ya na-akpa. N'otu ụzọ ahụ ka e nwere ike iji kọwaa Odomagana. Nke a pụtara na Odomagana na-akpa ike dị egwu; ọ naghị e mere mmadụ ebere.

N'Egede, ndị okenye maara omenala na ọdịbendị ha nke ọma na-anwụ n'ike n'ike. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpalitere mmụọ onyenchọcha ma ọ bụ odee iji wee dekọọ ụdịdị na ọrụOdomagana n'Egede.

Nchekwaba asụsụ na omenala Igbo dị nnukwu mkpa n'oge ugbua n'ihi na UNESCO (2016) kwuru na asụsụ na omenala Igbo bụ nke nwere ike ịnwụ ma ọ bụ ghara ịdịkwa n'afọ 2025. Ọ bụ nke a kpalitere onye nchọcha iji bagide ndekọ ọgụgụala otu nzuzo Odomagana na ọrụ ọ na-arụ n'Egede na steeti Enugwu.

N'ịga n'ihu, e nwere ụfọdụ nchọcha e merela maka Odomagana na mmọnwụ, n'akụkụ ụfọdụ n'ala Igbo. Oguamanam, Odum na Ezeh (2018) mere nchọcha n'isiokwu a kpọrọ "Odo Masquerade in Northern Igbo Land: A Cultural Resource in Demise". Nchọcha ha metụtara ndekọ usoro iti Odo na Neke na uru ọ bara na mmepe njem nlele anya nke obodo. Nchọcha ha gosiri na ndị na-eti Odo na-eji ikikere ha nwere wee na-akpagbu ndị mmadụ ọ kachasị ụmụ aka na ndị nwaanyị nke mere ndị mmadụ ji e nweghizi mmụọ ịnụ ọkụ n'obi isonye wee na-eti Odo. Nchọcha Oguamanam, Odum na Ezeh yiri nke a na-eme ugbu a n'ihi na ha abụọ gbasatara Odomagana. Mana ndịiche dị na nchọcha abụọ ndị ahụ bụ na ebe nchọcha Oguamanam, Odum na Ezeh metụtara ndekọ usoro iti Odo na Neke; nchọcha nke a na-eme ugbu a bụ ịchọpụta ụdịdị Odomagana na ọrụ ha n'Egede, n'okpuru ọchịchị Udi.

Nwanna (2017) mere nchọcha n'isiokwu a kpọrọ "Managing Masquerade Festival for Tourism and Economic Gains: A Study of Mmanwụ Festival in Anambra State". Nka nchọcha o ji mee nchọcha ya bụ nke sọvee nkọwa. Ngwa nchọcha o ji mee nchọcha ahụ bụ ịgba ajụjụ ọnụ na ihe ọ gụtara n'akwụkwọ. Nchọcha ya gosipụtara mkpa ọ dị ịhazi omenala iti mmọnwụ n'ala Igbo, ọ kachasị na steeti Anambra maka njem nlele anya nke ga na-ewetara ndị Igbo ego. Nchọcha Nwanna na nke a na-eme ugbu a nwere myiri na ndịiche. Myiri dị n'etiti ha abụọ bụ na ha abụọ metụtara omenala; Odomagana na mmọnwụ bụ otu ihe na nghọta ndị Igbo. Nwanna ji nka nchọcha sọvee nkọwa wee mee nchọcha ya, n'otu aka ahụ onye nchọcha nke ugbu a jikwazị sọvee nkọwa wee mee nke ya. Ngwa nchọcha Nwanna ji mee nchọcha ya bụ ajụjụ ọnụ na ihe ndị ọ gụtara n'akwụkwọ. Na nchọcha a, onye nchọcha jikwazi ajụjụ ọnụ, iji igwe e ji ese/foto onyoonyo na ihe ndị ọ gụtara n'akwụkwọ wee mee nchọcha a.

N'aka nke ọzọ, ndịiche dị na nchọcha Nwanna na nke a na-eme ugbu a bụ na ebe Nwanna mere maka

mmọnwụ, nke a na-eme ugbu a bụ maka Odomagana. Ọzọ kwa, Nwanna mere nchọcha ya na steeti Anambra ebe nchọcha nke a bụ na steeti Enugwu. Ndịiche ọzọ bụ na ebe nchọcha Nwanna lebara anya n'ụzọ ịhazi iti mmọnwụ n'ụzọ ime ya ka ọ bụrụ ihe e ji akpata ego, nchọcha nke a lebara anya n'ụdịdị na ọrụ Odomagana n'okpuru ọchịchị Udi.

Amuji, Isife na Ottakagu (2015) mere nchọcha nke isiokwu ya bụ "Egede people and their Root: A Historical Documentation". Nchọcha a metụtara omenala ụfọdụ ndị Egede na-eme nke iti Odomagana bụ otu n'ime ha. Nchọcha ha gbasara Odomagana zipụtara mmalite ọbịbịa Odomagana n'Egede. Nchọcha ha mere yitere nke a na-eme ugbu a n'ihi na ha abụọ metụtara Odomagana tinyere na ọ bụ n'Egede ka e mere nchọcha ha na nke a. Nchọcha Amuji, Isife na Ottakagu (2015) dị iche na nke a, n'ihi na ebe ha mere maka mmalite ọbịbịa Odomagana n'Egede, nchọcha nke a metụtara ụdịdị na ọrụ Odomagana n'Egede.

Ọzọ kwa, Ịtanyị (2011) mere nchọcha nke isiokwu ya bụ "The Odo Masquerade Institution and Tourism Development: A case study of Igbo-Etiti Local Government Area of Enugu State". Nchọcha Ịtanyị gosipụtara Odomagana dị ka omenala e ji mara ndị Igbo – Odo, tinyere na Odomagana bụ ihe njem nlele anya na okpukperechi. Ọ gbasoro nka nchọcha nke sọvee nkọwa wee mee nchọcha ya. O nwetara data site n'ajụjụ ọnụ ọ gbara ndị mmadụ tinyekwara nke ọ gụtara n'akwụkwọ.

Nchọcha Ịtanyị na nke a na-eme ugbu a nwere myiri n'ihi na ha abụọ gbastara Odomagana dị ka omenala ebe ndịiche dị n'etiti ha abụọ bụ na ebe nchọcha Ịtanyị lebara anya n'Odomagana dị ka omenala, nchọcha nke ugbu a lebara anya n'ụdịdị na ọrụ Odomagana. Ọzọ kwa, Ịtanyị mere nchọcha ya n'Igbo-Etiti, ebe nchọcha nke ugbu a bụ n'Egede dị n'okpuru ọchịchị Udi ka a nọrọ mee ya. Myiri ọzọ bụ na Ịtanyị ji nka nchọcha sọvee nkọwa wee mee nchọcha ya; onye nchọcha nke ugbu a jikwazị nka nchọcha nke sọvee nkọwa wee mee nke ya.

Ezike (2010) mere nchọcha nke isiokwu ya bụ "History and Tradition of the people of Igbo-Etiti" nke gbadoro ụkwụ n'omenala dị iche iche ndị Igbo Etiti na-eme. Otu n'ime omenala ha na-eme pụtara ihe na nchọcha Ezike bụ iti Odo. Ọ kọwara mmemme ndị Igbo Etiti na-eme gbasara Odo. Nchọcha Ezike na nke a na-eme ugbu a nwere myiri n'ihi na ha abụọ metụtara Odomagana. Nchọcha a na-eme ugbu a dị iche na nke Ezike n'ihi na, ebe Ezike lebara anya naanị n'oriri/mmemme a na-eme n'oge Odomagana; nchọcha nke ugbu a nyochara ụdị na ọrụ Odomagana. Nke ọzọ, nchọcha Ezike bụ nke e mere n'Igbo Etiti, ebe ọ bụ n'Egede dị n'okpuru ọchịchị Udi ka a nọrọ mee nchọcha a.

N'ime nchọcha ndị ahụ a tụlegharịrị n'elu ebe a, dị ka onye nchọcha siri mara, o nweghi nke e merela banyere ụdịdị na ọrụ Odomagana n'Egede dị n'okpuru ọchịchị Udi, steeti Enugwu. Ọ bụ nke a mere onye nchọcha ji bagide ime nchọcha a.

## Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta ụdịdị na ọrụ Odomagana n'okpuru ọchịchị Udi na steeti Enugwu. Nchọcha a ga-eleba anya kpọmkwem n'ihe ndị a:

a. Ịchọpụta ụdịdị Odomagana e nwere n'Egede.
b. Ịchọpụta ọrụ dị iche iche Odomagana na-arụ n'Egede.

## Uru Nchọcha

Nchọcha a ga-abara ndị Igbo uru site n'iwulite omenala Igbo nke ga-eme ka agbụrụ na-abịa mara uru Odomagana bara n'ala Igbo. N'ihi na e detuola ya n'akwụkwọ na nchọcha, ụdịdị na ọrụ Odomagana na-arụ agaghị anwụ pịị.

## Oke Nchọcha

Nchọcha a jedebere n'Egede dị n'okpuru ọchịchị Udi na steeti Enugwu. O jedebekwara n'ịchọpụta ụdịdị Odomagana e nwere n'Egede na ọrụ ha na-arụgasị.

## Ajụjụ Nchọcha

Onye nchọcha guzobere ajụjụ nchọcha ndị a maka ime nchọcha a:

a) Kedu ụdịdị Odomagana e nwere n'Egede?
b) Olee ọrụ dị iche iche Odomagana na-arụ n'Egede?

## Atụtụ Nchọcha

Atụtụ a agbasoro wee mee nchọcha bụ atụtụ mma ntụnyere. Ọ bụ Benjamin Lee Whorf (1897 – 1941) wepụtara atụtụ a. Atụtụ a na-akọwa na ihe ụfọdụ pụtara ihe n'agụmagụ metụtara omenala na agụgụ ala. Atụtụ a dabara na nchọcha a n'ihi na nchọcha a dabeere na omenala na agụmagụ agụgụ ala ndị Egede.

## Usoro Nchọcha

### Nka Nchọcha

Onye nchọcha ji nka sọvee nkọwa wee mee nchọcha. Nworgu (2006) kọwara sọvee nkọwa dị ka nka nchọcha e ji amata echiche, mbunuche, nkwenye na nhụrụ ụwa ndị mmadụ nke e si na ya ezipụta mbunuche nchọcha. Sọvee bụ iji ụfọdụ mmadụ a họpụtara n'otu ebe ka ha bụrụ ndị nnọchite anya ndị ọzọ.

### Ebe Nchọcha

Ebe a nọrọ mee nchọcha a bụ n'Egede nke dị n'okpuru ọchịchị Udi na steeti Enugwu. Egede bụ otu n'ime obodo mejupụtara okpuru ọchichị Udi. O sokwa n'obodo ndị na-eti Odomagana n'okpuru ọchịchị Udi. E ji ọrụ ugbo na azụmahịa wee mara ha.

### Ngwa Nchọcha

Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha bụ ajụjụ ọnụ, igwe e ji ese foto/onyoonyo na ihe onye nchọcha gụtara n'akwụkwọ. Ajụjụ ọnụ ahụ bụ nke onye nchọcha gbara ndị okenye mmadụ iri na ise maara ihe gbasara Odomagana n'Egede.

### Usoro Nnweta Data

Onye nchọcha weere ajụjụ abụọ dị ka ọ dị n'ajụjụ nchọcha o depụtara n'akwụkwọ wee gakwuru ndị okenye ahụ wee jụọ ha ajụjụ ndị ahụ. O depụtara ụsa/ọsịsa ha nyere ya n'akwụkwọ.

### Usoro Nkọwasị Data

**Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ:** Kedu ụdịdị

Odomagana e nwere n'Egede?

**Ụsa ajụjụ nke mbụ:** Ọsịsa ndị okenye a gbara ajụjụ ọnụ nyere n'ajụjụ nchọcha nke mbụ gosiri na ụdịdị Odomagana e nwere n'Egede gụnyere:

**1. Iyoogho**

**Iyoogho:** N'afọ ọ bụla a ga-eti Odo, ọ bụ Iyoogho na-ebu ụzọ apụta n'obodo. Ọ na-eji ọsọ agagharị n'ụlọ n'ụlọ, ndị mmadụ a na-enye ya ihe onyinye dị iche iche dị ka mmanya, ego, ọjị na nzụ. A na-eji ọmụ nkwụ ọhụrụ arụ awọrọ ya nke mere na ọ na-ama mma. Ọ naghị apịa mmadụ ụtarị ma ọ bụ tie mmadụ ihe n'ụdị ọ bụla. Mgbe ọ na-agbagharị n'ụlọ n'ụlọ, ọ na-abụkarị ụmụokorobịa dị ike na-agbaso ya n'azụ na-agụrụ ya egwu njamike. Lee onyoonyo ya:



**Iyoogho**

**2. Okpeakarịka**

***Okpeakarịka*:** Dị ka aha ya siri dị, ọ bụ akịrịka ọmụnkwụ kpọrọ nkụ bụ ahụ ya niile. Ọ na-achụ mmadụ ọsọ ọ kachasị ụmụ aka, na ndị ntorobịa. Onye o jidere, ọ na-akpasa ya arụ dị iche iche dị ka ịpịa ya ụtarị, tie ya ihe, wụsa ya agbara nkịta na-agbaka n'ahụ, ma ọ bụ tituo onye ahụ n'ala. Ọ na-eji ụtarị, osisi, mma na ihe ndị ọzọ nwere ike imeru mmadụ ahụ. Oge ụfọdụ ọ na-etigide mmadụ ihe debe ya ọ dị ndụ ọnwụ ka mma. Ọ bụ ya kachasị akpa mkpamkpa a hụrụ anya n'obodo. Lee onyoonyo ya:





**Okpeakarịka**

### 3. Nnemma

**Nnemma:** Ụdị Odomagana nke a dị ka aha ya siri dị bụ 'nne' Odomagana ndị ọzọ. Ọ naghị eti mmadụ ihe ma ọ bụ chọọ mmadụ okwu. Ọ na-enwe obi umeala dị ka ezigbo nne n'ezinaụlọ ọ bụla. Ọzọkwa ihe e ji mara ya bụ ịvụ avụ (ịbụ abụ) nke ọ na-este n'ime ya eto ndị mmadụ, akọcha ndị ajọ mmadụ ma ọ bụ agwa ndị mmadụ okwu ma ọ bụ zie aja n'ụdị ihe ga-eme na ndụ mmadụ. Ọ bụ ndị okenye ndị nwoke na-eso ya n'azụ na-afụrụrụ ya opi ma na-etikwara mkpụkpọ (mkpu) iji too ya. Ụmụ nwaanyị na-akọrọ ya mkpa ha dị iche iche (ịmụta nwa, ịzọpụta ha n'ọria d.g.) ma na-ekwe ya nkwa ihe ha ga-emere ya ma ọ bụrụ na ha enweta ihe ha rịọrọ ya. Ọ na-eyi awọrọ ọcha e ji akwa wee chọọ mma. Ọ na-agagharị n'ụlọ n'ụlọ; ndị mmadụ a na-enye ya ihe onyinye dị iche iche n'ụdị ego, akwa, mmanya ọjị, nzụ d.g.. Lee onyoonyo ya:



**Nnemma**

### 4. Ganagana

**Ganagana:** Nke a bụ nna Odomagana ndị ọzọ. Ọ na-adị n'ụdị nnemaa kama na ọ na-agba agba too elu. Ọ na-eji ọgwụ ọ na-eme ma ọ bụ akọ mmadụ; ọkachasị onye mere ihe ọjọ. Ya bụ, ọ na-akpa ike dị ka nna nwe ezinaụlọ n'obodo. Ọ na-agagharị n'ụlọ n'ụlọ; ndị mmadụ a na-enye ya onyinye dị iche iche dị ka mmanya, ego, akwa, nzụ d.g.. Ụmụ nwaanyị na-arịọ ya mkpa ha dị iche iche dị ka ịmụta nwa, ichedo ha, onyinye akụnaụba na ahụ isi ike. Ha na-ekwekwa ya nkwa ihe ha ga-emere ya ma ọ bụrụ na ha enweta ihe ha rịọrọ ya. Ndị okenye ndị nwoke na-etiri ya mkpụkpọ (mkpu) njamike na otito. Ọ na-avụkwa avụ (abụ) dị ka 'nnemaa' ma na-ezi aja ma ọ bụ agwa ndị mmadụ ihe ga-eme n'oge na-abịa. Awọrọ ya na-acha ọcha nke e ji akwa chọọ mma. Lee onyoonyo 'ganagana':



**Ganagana**

### 5. Okwuikpe

**Okwuikpe:** Okwuikpe bụ Odomagana e ji naanị ịgba egwu wee mara. N'ime Odomagana ndị ọzọ, ọ kacha maa mma. Ọ naghị eti mmadụ ihe ma ọ bụ meruo

mmadụ ahụ. Ụmụokorobia, ụmụ aka na ndị okenye na-akụrụ ya egwu ọdịnaala ndị Egede. Oge ọ na-apụta na-abụ mgbe a na-eweta njedebe afọ Odo/Ụna Odomagana n'isi. Mgbe ọ na-agagharị na-agba egwu n'obodo, ụmụnwaanyị na-elele ya na-enwe ọṅụ. A na-enye ya na ụmụ okorobịa na-akụrụ ya egwu ihe onyinye ego, mmanya na nri. Awọrọ ya na-adị ọcha. E jikwa akwa chọọ yam ma. Ọ na-eji akụpe na mkpọ n'aka agba egwu. Lee onyoonyo ya:



**Okwuikpe**

**6. Ọrịba**

**Ọrịba:** Ọrịba na okwuikpe bụ otu ihe kama na Okwuikpe ka nnukwu karịa Ọrịba. Ọrịba nọ ọnọdụ nwa Okwuikpe. Ọrịba na-ebu ụzọ, Okwuikpe a na-eso ya n'azụ. Ọrịba bu ụzọ gbacha egwu, Okwuikpe agbaa nke ya. Lee onyoonyo ya:



**Ọrịba**

**7. Ikenshịka/Obuteokoboro**

**Ikenshịka/Obuteokoboro:** Ikenshịka ma ọ bụ obuteokoboro na-adị ka 'oriọkpa' ndị Nsụka. Ụfọdụ na-eyi awọrọ ọcha ebe ụfọdụ na-eyi nke ojii ma kpuru okpu agbụgbaigwe n'isi. Ọ na-eji/etu mma/obejiri n'ukwu ma jiri ube ma ọ bụ ójì n'aka. Ụdị Odomagana nke a na-achụ mmadụ ọsọ ma na-akọchakwa mmadụ. Onye nye ya onyinye; ọ hapụ onye ahụ. Nkwenye ndị Egede bụ na ụdị Odomagana a bụ nwaokorobịa e gburu n'ike ma ọ bụ nwụrụ ọnwụ ike, nke mmụọ ya pụtara ihe n'ụdị mmadụji mma/obejiri wee na-achọ onye ma ọ bụ ndị ahụ gburu ya mgbe ọ dị ndụ n'ụwa ka o wee bete isi onye/ndị ahụ iji wee bọọ ọbọ. E kwenyekwara na mma/obejiri na ube ndị ahụ Ikenshịka na-eji bụ ngwa ọgụ

ndị nwe ya tinyeere ya n'ili ozu ya mgbe ahụ e liri ya. Ngwa ọgụ ndị ahụ ka ọ ga-eji gbuo onye/ndị gburu ya. Lee onyoonyo ya:





**Ikenshịka/Obuteokoboro**

**8. Ovuakwụkwọ**

**Ovuakwụkwọ:** Nke a bụ Odomagana nke ahụ ya niile ma ọ bụ awọrọ ya bụ akwụkwọ ka e ji rụọ ya. Ọ bụ akwụkwọ kpọrọ nkụ dị iche iche dị ka akwụkwọ Ogede, ọmụ nkwụ na ndị ọzọ ka e ji mee ahụ ya. Aha ya dabara n'ihi na akwụkwọ ọ na-ebu n'ahụ dị nnukwu nke mere na ọ naghị agba ọsọ nke ọma. N'ihi ya, ụmụ aka na-eji ya eme ihe ọchị maka na ọ naghị ejidenwu ha n'ọsọ. Naanị ụtarị ka ọ na-apịa onye o jidere. Lee onyoonyo ya:



**Ovuakwụkwọ**

**9. Oneneobodo**

**Oneneobodo:** Nke a na-adị ka Okpeakarịka kama, awọrọ ya ọ na-ebu ibu karịa nke Okpeakarịka. Ọ naghị achụ mmadụ ọsọ nke o ji apịa mmadụ ụtarị. Dị ka aha ya siri dị ọrụ ya bụ ilele ma obodo ọ dịkwa ọcha. Ọ na-agagharị n'ụlọ n'ụlọ ma n'okporo ụzọ iji chọpụta ebe ruru inyi. Ọ na-eri ezinaụlọ ọ bụla ruru inyi nha n'ụdị ego ma ọ bụ mmanya. Oge ụfọdụ ọ na-eburu ngwongwo, ahịhịa na ihe ndị ọzọ jọrọ njọ n'anya wee wụsacha n'ezinaụlọ ọ bụla ruru inyi ọ batara.

Nke a mere na ụmụnwaanyị na-agba mbọ azachasị be ha n'ụtụtụ tupu ha apụọ. Ihe ọzọ e jikwa mara ya bụ na ọ na-akpa ndị mmadụ ọchị/amụ ma na-akọcha ndị mmadụ, ọkachasị ndị be ha na-eru inyi oge ọ bụla. Lee onyoonyo ya:



Oneneobodo

**10. Ikeọkpụadaka**

**Ikeọkpụadaka:** Ikeọkpụadaka dị ka aha ya si dị bụ Odomagana na-adị mkpụmkpụ ka 'adaka'. Awọrọ ya na-acha ka ahụ adaka. Ọ bụ ụmụnwaanyị, ọkachasị ụmụagbọghọ ka ọ na-achụkarị ọsọ. Ọ na-ejije mmadụ n'ụdị igosipụta mmekọ nwoke na nwaanyị. Ọ na-eme nke a n'ihu nwaanyị ọ bụla ọ chọrọ ijije site n'ise ahụ nwaanyị n'ala ma gbudo ikpere ụkwụ ya abụọ n'ala ebe ahụ bido bewa akwa ka adaka: 'am, am, am-am-am'. O jijechaa nwaanyị ahụ, ọ chụkwara onye ọzọ gawa. Ọ naghị apịa mmadụ ụtarị naanị ọchị ka ọ na-akpa mmadụ. Lee onyoonyo ya:



**Ikeọkpụadaka**

**11. Nwaugo na-ara n'enu**

**Nwaugo na-ara n'enu:** Dị ka aha ya siri dị ọ na-acha ka ugo ma too ogologo. Ahụ ya niile na-acha ọcha ka nnụnụ ugo. Ụdị Odomagana nke a anaghị achọ nsogbu ma ọ bụ ebu atịtị/inyi n'ahụ ya. Naanị ihe ọ na-achọ n'aka ndị mmadụ bụ ego na ihe onyinye ndị ọzọ. Ọ naghị agba ọsọ kama, ọ na-eji nwayọọ aga ije. Nkwenye ndị Egede bụ na nne ya mụrụ ya n'elu ebe inyi/atịtị

adịghị nke mere o ji arahụ n'elu. Ọzọkwa, ugo anaghị ebi n'ala nke o ji ebu atịtị/inyi, n'otu aka ahụ ụdị Odomagana nke a anaghị ebi n'ala nke oji ebu atịtị/inyi. Lee onyoonyo ya:



**Nwaugo na-ara n'enu**

## 12. Ịjalị Nwaụmọka


**Ịjalị Nwaụmọka:** Ịjalị kacha dị nta n'ime Odomagana dị iche iche a kpọrọla aha ebe a. Ọ na-adị ka Okpeakarịka kama na ọ na-adị nta ma na-enyekwa nsogbu n'ụdị nke ya. Ọ gaa ebe a na-eme mmemme ihe gbasara Odomagana, ọ naghị apụ ebe ahụ ganye na e nye ya ọkpá. Naanị ọkpa ka ọ na-eri. Ịjalị anaghị achụ mmadụ ọsọ kama Odomagana ndị ọzọ na-achụ ya ọsọ ma o nye nsogbu karịa. Lee onyoonyo ya:



**jalị Nwaụmọka**

## 13. Obineenu/Ọkpọụbọ

**Obineenu/Ọkpọụbọ:** Obineenu ma ọ bụ Ọkpọụbọ na-ebi n'ụlọ elu ebe ọ na-anọ akụrụ ụmụnwaanyị egwu ha na-agba. Mgbe ha na-agba egwu ahụ, ha na-agba ụlọelu obineenu ahụ okirikiri na-etu ya aha dị iche iche dị ka, nnam, nnam ukwu, onye nwe m, di m d.g.. Ụmụnwaanyị ahụ na-eyi jidịda ma tee uhie na uri n'ahụ iji chọọ onwe ha mma. Nke a na-abụkarị n'oge a kara aka. Lee onyoonyo:



Obineenu/Ọkpọụbọ

**Ajụjụ Nchọcha nke Abụọ: Olee ọrụ Odomagana na-arụ n'Egede?**
**Ọsịsa ndị okenye a gbara ajụjụ ọnụ nyere maka Ọrụ Odomaganana mwulite omenala Igbo N'Egede.**
Anụ ọhịa a na-akpọ ebi pụchaara aka ma hapụrụ ụmụnna ya olu ya ebe ha ga na-ebido ya aka. Nke a pụtara na n'agbanyeghị na ebi bụ anụ ọjọọ, ọ na-adabara ya na ụmụnna ya. Mmadụ nọ n'ụwa nwere agwa ọjọọ na ezigbo agwa. N'otu aka ahụ, n'agbanyeghị na Odomagana bụ 'maa' o nwere ezigbo ọrụ ọ na-arụ n'Egede.

A bịa n'ezigbo ọrụ ọ na-arụgasị, ihe ndị a pụtara ihe na ya:

Mkpezi esemokwu n'etiti mmadụ abụọ ma ọ bụ otu abụọ. Ọ bụrụ na mmadụ abụọ, otu abụọ ma ọ bụ ogbe abụọ na-ese okwu, otu onye nwere ike gaa kpesara Odomagana site n'aka 'Dikwu' Odomagana (onye na-achụrụ ya aja) onye nke ga-ebute arụsị Odomagana wee dozie ha abụọ site n'ịgba ha ndụ ma taa onye ikpe mara ahụhụ. Nke a na-eweta udo tọrọ atọ n'etiti ha abụọ ma ọ bụ otu abụọ na-ese okwu.

Ọzọkwa, ọ na-eme ka ihe ọjọọ dị iche iche dị ka igbu mmadụ, ịkọ nsị, izu ohi belata n'obodo. Nke a bụ n'ihi na onye ọ bụla na-atụ egwu na Odomagana nwere ike igbu ya ma ọ bụ gbaa ihe ọjọọ ọ na-eme n'anwụ. Ya bụ, ọ na-etinye egwu n'ime ndị mmadụ nke ga-eme ka ha gbaara ime ihe ọjọọ ọsọ.

Ọrụ ọzọ Odomagana na-arụ bụ ịkpa ndị mmadụ obi aṅụrị site n'ihe mmemme oriri na ọṅụṅụ jupụtara mgbe a na-eti odo. Onye nwee ọṅụ, ndụ ya adịtekwuo aka. Ndị na-eti Odomagana na-enwe nnukwu aṅụrị n'oge ahụ.

Nke ọzọ, ọ na-eme ka obodo na-ekpo ọkụ ọkachasị mgbe Okpeakarịka na-agbagharị n'obodo tinyere mgbe Okwuikpe na ọrịba na-ete egwu agagharị n'ụlọ n'ụlọ. Ezigbo mmekọrịta na-adị n'etiti ogbe na ogbe, mmadụ na ibe ya.

Ọ na-emekwa ka obodo na-adị ọcha

n'ihi na Odomagana nke ahụ bụ Oneneobodo na-agagharị n'ụlọ n'ụlọ na-elele ezinaụlọ adịghị ọcha. Ma Okporo ụzọ na-adịkwa ọcha n'ihi na ụmụnwaanyị na-azachasị ebe niile iji hụ na obodo dị ọcha.

Ọrụ ọzọ kachasị dị elu Odomagana na-arụ n'Egede bụ ichekwaba obodo. N'oge gboo obodo n'obodo na-ebuso onwe ha agha mana ọ bụ site na nchekwaba Odomagana na-enye ndị nke ya ka ha ji enwe mmeri n'aka ndị iro. Nkwenye ndị Egede na-eti Odo bụ na 'nna' ha Odomagana na-enye ha nchekwaba n'aka ndị iro sitere n'obodo gbara gburugburu.

N'ikpeazụ n'ọrụ ọma Odomagana na-arụ n'Egede, bụ na ọ na-ewulite omenala ndị Igbo site n'ịgba ndị mmadụ ndụ nakwa nchekwaba ndụ mmadụ dị ka arụsị. Ndị Igbo nwere nkwenye n'ịgba ndụ, nkwenye n'arụsị nke bụcha ọrụ Odomagana n'Egede. N'ụzọ dị otu a, ọ na-awulite omenala Igbo.

**Nkata N'ihe A Chọpụtara**

Nchọcha a gosiri na e nwere ụdịdị Odomagana iri na atọ n'Egede, ebe nke ọ bụla nwere ọrụ dị iche iche ọ na-arụ. O gosikwara na ụfọdụ Odomagana ndị ahụ na-akpa agwa dị ka aha ha si dị. Nchọcha a gosiri na Odomagana bụ otu n'ime omenala ndị Igbo ndị Egede na-eme iji wulite omenala Igbo.

**Mkpokọta**

Na mkpokọta, onye nchọcha gbara mbọ kọwaa ụdịdị ọrụOdomagana e nwegasịrị n'Egede na njirimara nke ọ bụla. Ọ kọwakwara ọrụ ha na-arụ n'Egede. Mbunuche onye nchọcha n'idekọ ụdịdịOdomagana na-ọrụ ya n'Egede bụ otu ụzọ ichekwaba na mwulite omenala Igbo iji hụ na ọ dịgidere.

**Mmechi**

Omenala ndị na-edu ha. Onye kpọọ ọba ya mkpọkọrọ, agbataobi ya e were ya kpoo ahịhịa. Onye arachaghị ọnụ ya, ụgụrụ arachaara ya onye ahụ. Omenala Igbo na-edu ndị Igbo. N'otu aka ahụ omenala ndị Egede na-edu ha. N'agbanyeghị amụma ndị UNESCO wepụtara n'afọ 2016 na asụsụ Igbo ga-ekpochapụ n'afọ 2025, ndị Igbo ụfọdụ na-agbawanye mbọ iji hụ na asụsụ na omenala ndị Igbo dịgidere. Onye Igbo ọ bụla kwesiri itunye nke o ji iji wee wulite ma chekwaba omenala ndị Igbo. Ọ bụ nke a mere onye nchọcha ji wee dekọọ ụdịdịOdomagana na ọrụ ya n'Egede iji wee kwado mbọ odee ndị ọzọ n'akụkụ Igbo dị iche iche na-agba iji wulite ma chekwaba omenala ndị Igbo.

**Nrụmaka**


Anozie, C.C. (2003). *Igbo Kwenu: Akụkọ na Omenala ndị Igbo.*Enugwu: Computer Edge.

Ekwe, B.U., Emenanjo, E.N. Kanu, N, Njubigbo, A.O. & Okolie O.O. (2008). *Igbo maka Junịọ Sekọndịrị*. Ibadan: University Press.

Ezike, S. (2010). History and Tradition of the People of Igbo-Etiti. Igboetiti.blogspot.com.ng/2010/10/history-and-tradition-of-people of Igbo-html. Retrieved 12/04/18.

Isife, L., Amuji, H. & Ottakagu P. (2015). *Egede People and their roots. A Historical Documentation*. Enugwu: Black Belt Konzult Publishers.

Ịtanyi, E.I. (2011). The Odo Masquerade Institution and tourism development: A case study of Igbo-Etiti local government Area of Enugu State. International journal of Research in Arts and Social Sciences (3) 150 – 159 Retrieved on 08/02/19.

Nwadike, I.U. (1990). *Nka na Usoro Nkụzi Igbo*. Nsukka: Ifunanya Publishers.

Nwadike, I.U. (2009). *Nigeria: Asụsụ, Omenala na Mmepe Obodo. Journal* 9 (20) 27 – 35.

Nwanna, C. (2017). Managing Masquerade Festival for Tourism and Economic Gains: A Study of Mmanwu Festival in Anambra State. http://www.hrpub.org Doi: 10.13189/sa/2017.050706. Retrieved on 08/02/19.

Nworgu, B.G. (2006). Educational Research: Basic Issues and Methodology. Nsukka: University Trust Publishers.

Oguamanam, C.C., Odum, C.J. & Ezeh, K. (2018). Odo Masquerade in Northern Igboland. A Cultural Resource in Demise. Journal of Tourism and Heritage Studies. 7(1) 79 – 95 https://researchgate.net/publicationi/325391687. Retrieved on 08/02/19.

UNESCO (2016). Endengered Igbo Language. Sunnewsonline.com/unesco-and-endengered-Igbo-language/retrieved 12/04/18.

Williams, K. & Blench, R. (2000). Niger-Congo. In Heine B & Nurse. (Eds). *An African Languages: An Introduction*. Cambridge: University Press.

**Aha Ndị a gbara Ajụjụ Ọnụ**

| Ọnụọgụ | Aha | Afọ |
|---|---|---|
| 1 | Alphonsus Offor | 83 |
| 2 | Anibueze Ogbo (Dikwu Odomagana) | 77 |
| 3 | Chigbo Onyi | 72 |
| 4 | Cletus Ugwu | 71 |
| 5 | Geoffrey Maduahagh | 92 |
| 6 | John Anigbo | 92 |
| 7 | Joseph Amadi | 55 |
| 8 | Joseph Ozoeze | 57 |
| 9 | Nicholas Okwukeze | 81 |
| 10 | Ododile Agu | 78 |
| 11 | Ogbonwugo Ogbo | 75 |
| 12 | Ogumagbolu Ogbo | 93 |
| 13 | Patrick Udeaya | 80 |
| 14 | Simeon Aguka | 68 |
| 15 | Theophilus Udeze | 83 |